Inyocha Nsogbu Ụmụakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị N'ịde Edemede Leta N'ule Asụsụ Igbo N'okpuru Ọchịchị Igbo-Eze South Nke Steeti Enugwu

Chineke, Stella Obioma
08063385262 stella.chineke@unn.edu.ng
Ngalaba Mmụta Nka, Fakọlti nke Edukeshọn, Mahadum Naijiriịa, Nsụka

Ụmị

Nchọcha a nyochara nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze South nke Steeti Enugwu. Onye nchọcha hibere ajụjụ nchọcha ise ma gbasoro usoro sọvee nkọwa wee mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha a gụnyere ụmụakwụkwọ SS2 dị nari abụọ (200) e ji usoro nsere nhatanha sere. Onye nchọcha sitere n'ụlọakwụkwọ ise ndị a họọrọ maka nchọcha a sere ụmụakwụkwọ dị iri anọ n'otu n'otu site n'usoro tụmbọm tụmbọm. Ngwa nchọcha bụ njụmaza isiokwu ya bụ"Njụmaza Edemede Leta Asụsụ Igbo Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị" (NELAIUS). Ndị ọkammụta abụọ nọ na ngalaba Mmụta Nka na otu onye na ngalaba Mmụta Sayensị na Fakọlti nke Edukeshọn na Mahadum Naijiriịa, Nsụka nyochara ngwa nchọcha a. Onye nchọcha mere nnwale ntụkwasịobi ngwa nchọcha a bụ NELAIUS ma site n'usoro "Cronbach Alpha" nweta akara 0.86 nke gosiri ntozu oke ya. E ji usoro miin na ndịpụ n'izugbe wee hazie data niile e nwetara na nchọcha a. Nchọpụta sitere na nchọcha a gosiri na e nwere ọtụtụ nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị nke gụnyere: enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo; usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo; enweghị mmasị ndị nne na nna ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo tinyere mwebata olundị n'edemede leta Igbo. Site na nchọpụta ndịa, onye nchọcha tụnyere ọtụtụ aro nke ụfọdụn'ime ha bụ: ka ụmụakwụkwọ na-agbasi mbọ ike n'ịgụ akwụkwọ ha, ọkachasị ihe banyere asụsụ Igbo; ka ndị nkụzi asụsụ Igbo jegharịa ọzụzụ maka iji olu Igbo izugbe na usoro nkụzị dị mma na-akụzi asụsụ Igbo; ka ndị nne na nna jiri asụsụ Igbo na-azụlite ụmụaka ha n'ụlọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: Asụsụ, Asụsụ Igbo, Edemede, Edemede leta, Ule.

Mkpọlite

Asụsụ so n'ime ihe ndị ahụ dị oke mkpa e ji amata ndịiche dị n'etiti mmadụ na ụmụ anụmanụ ndị ọzọ. Asụsụ bụ ihe mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụ site n' asụsụ ka e si amata ihe mmadụ bu n'obi. Ọtụtụ ndị ọkammụta akọwaala asụsụ n'ụzọ dị iche iche. Aguiyi (2014) hụrụ asụsụ dịka ngwa kacha dị mkpa na ndụ mmadụ. Emelogu na Chigbu (2022) mere ka a mata na asụsụ gụnyere ihe e kwuru n'ọnụ na ndị ekwughị n'ọnụ, a haziri nke ọma maka mmadụ iji ya nwee mmekọrịta. Ha gara n'ihu kọwaa na asụsụ bụ nka siri ike, nke ihe mejupụtara ya bụ nka anọ ndị a:ige ntị, ikwu okwu, igụpụta ihe na ide ihe maọbụ edemede.

Nkọwa ndị ọkachamara na-enye banyere asụsụ na-egosipụta mkpa ọ dị n'ihe gbasara ndụ ndị mmadụ. Iji maa atụ, Ogunsola na Babatunde (2017) kọwara asụsụ dịka ngwa dị oke mkpa e ji eweta nchekwa n'obodo. Ha gara n'ihu kọwaa na asụsụ bụ usoro mmekọrịta na-enyere ndị mmadụ aka ịnọkọta ọnụ n'udo na n'ịhụnanya. Nke a bụ eziokwu maka na ọtụtụ ihe mmadụ na-eme agaghị enwe isi ma ọ bụrụ na enweghị asụsụ na-agbazi ihe ndị ahụ. Iji maa atụ, ọ bụrụ na asụsụ adịghị, ọ ga na-ahịa ahụ obodo na ibe ya inwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche dịka azụmahịa, asọmpi egwuregwu, igbazi ego na mmekọrịta ndị ọzọ. Ọzọkwa, Otu okpukperechi dị iche iche na-eji asụsụ ekpere Chineke. Ọ bụ asụsụ ka obodo ndị mepere emepe ji akụziri obodo ndị emepeghị emepe sayensị na teknụzụ. Ihe ndị a a kọwara na-egosi na asụsụ bụ ngwa dị nnukwu mkpa ndị mmadụ ji enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche maka ọganihu ha. N'ala Naịjirịa, e nwere ọtụtụ asụsụ nke e ji mara mpaghara obodo dị iche iche. Ha gụnyere asụsụ Yoruba, Hausa, Efik, Fulfude, Ishekiri, Tiv, Birọm, Igbo na ndị ọzọ. Ihe nchọcha a na-eleba anya kpọmkwem bụ asụsụ Igbo.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị na-asụ ya gụnyere ndi ahụ bi na mpaghara ndịda ọwụwa anyanwụ Naijirịa. Steeti dị na mpaghara a gụnyere: Abia, Anambra, Ebọnyị, Enugwu na Imo. Mpaghara ụfọdụ dị na Steeti Rivers, Delta na Benue na-asụkwazị asụsụ Igbo (Chigbu, 2013). Ọnụọgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo dịka Ugwuona (2015) kọwara bụ ihe dịka nde mmadụ iri atọ. Nke a gosiri na ọnụọgụ ndị na-asụ asụsụ Igbo bara ụba, mere o ji soro n'asụsụ amaala atọ kacha pụta ihe na Naijirịa. Asụsụ

abụọ ndị nke ọzọ bụ Hausa na Yoruba. Ọ bụ maka ịkwalite mmekọrita mmadụ na ibe ya, idị n'otu nke mba niile nọ na Naijiria na ichekwa Omenala ka gọọmenti etiti jịrị wepụta ma kwado asụsụ atọ ndịa. Umo na Chineke (2014) kọwara na asụsu Igbo so n'asụsu atọ dị oke mkpa n' ụlọakwụkwọ sekọndịrị e nwere na Naijria. N'ihi nke a, a na-ele asụsụ Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Ule a gbadoro ụkwụ na ngalaba atọ e nwere n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo nke gụnyere omenala, agụmagụ na ụtọasụsụ. Ọ bụ n'ihe banyere ụtọasụsụ ka a na-akụzi nka asụsụ anọ ndi a: ige ntị, ikwu okwu, ịgụpụta ihe na ide ihe maọbụ edemede.

Edemede so na nka asụsụ anọ e nwere n'asụsụ ọbụla. Fakeye na Ohio (2016) kọwara na edemede bụ nka mmadụ na-amụta site n'ịgba mbọ maka na ọ naghị abịa n'ụzọ ọnatarachi. Muodumogu na Unwaha (2013) na nkọwa nke ha hụrụ edemede dịka ihe ntọala na-eweta agamnihu n'ihe ọmụmụ dị iche iche, n'ime ụlọ ọrụ tinyere n'ihe banyere akụnaụba mba ụwa. Borode (2014) hụrụ edemede dịka ụzo e si eji ihe e dere ede n'akwụkwọ maọbụ n'ihe ndị ọzọ, nọchite ihe e kwuru n'onụ na ihe a nụrụ na ntị. Na nkọwa nke ya, Okonkwo (2015) gosipụtara na ebummobi kachasị mkpa e ji akụzi edemede n'omụmụ asụsụ Igbo bụ inyere ụmụakwụkwọ aka inwe ezi nghọta n'ihe banyere ka e si ede asụsụ Igbo etu ọ ga-esi daba n'ụzọ ziri ezi. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na inyere ụmụakwụkwọ aka gụnyere ime ka ha mụta ka e si eche echiche na ka e si ede ihe doro anya banyere isiokwu ọbụla site n'iji akanka na mkpụrụokwu dabara adaba. Ayodele, Akinkurolere, Ariyo, Mahmud na Abuya (2017) mere ka a mata na nka edemede bụ nka ụmụakwụkwọ kacha etinye n'ọrụ nke gosiri na ha kwesiri ịgbado ya anya nke ọma ma na-ewepụta ohere maka ịmụ ya. Azikiwe, (2017) gosipụtara na ịkụziri ụmụakwukwọ edemede Igbo ka o doo ha anya nke ọma dị oke mkpa maka na ide edemede na-ahịa ahụ tinyekwara na onye dere ya agaghị anọ nso maka ịkọwara onye na-agụ ya ihe ndị o dere na-agbagwoju anya. Ogunyemi (2014) kọwara na ịmụta edemede dị nnukwu mkpa maka na ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ na-eche ezi echiche ma na-emekwa nke ọma n'ule dị iche iche. Nke a bụ maka na ọ na-abụkarị usoro edemede ka e ji ele ule ndị ahụ. Edemede bụ nka dị mkpa maka na ọ bụ ya ka e ji ama ihe dị iche n'etiti ndị gụrụ akwụkwọ na ndị agụghị akwụkwọ (Umo na Chineke, 2014). Ihe ndị a niile na-egosi ọnọdụ edemede na ndụ ụmụakwụkwọ.

E nwere ụdị edemede dị iche iche. Okafo na Ewelukwa (2018) depụtara nkenụụdị edemede nke gụnyere: edemede nkọwa, edemede akọmakọ, edemede mkparịtaụka na edemede nkọwami. Ndị ọzọ gụnyere edemede nchemi, edemede ilu, edemede rịpọọtụ, edemede arụmaarụụka, edemede ekwumekwu, edemede miniiti na edemede leta. A bịa n'edemede ndị a niile, ndị nchọcha nwere mmasị n'ileba anya n'ihe bayere edemede leta. Okafo na Ewelukwa (2018) kọwara edemede leta dịka edemede bịara mgbe ndị ọcha wetara agụmakwụkwọ n'obodo Naịjirịa. Ha gara n'ihu kọwaa na ọ bụ akwụkwọozi a na-edegara onye ọzọ nọ na mpaghara obodo tere aka. Nke a pụtara na edemede leta bụ mmekọrịta na-adị n'etiti mmadụ abụọ maọbụ karịa anọghị n'otu ebe. E kere edemede leta ụzọ abụọ. Ha bụ leta nkeonye na leta anamachọihe. Leta nkeonye bụ leta mmadụ na-edegara onye ọ maara nke ọma na onye ya na ya na-enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Leta ọbụla a na-edegara nne, nna, ụmụnne, ikwu na ibe, enyi na ọgọ, dabara dịka leta nkeonye. N'aka nke ọzọ, leta anamachọihe bụ leta mmadụ ji achọ ihe dị ya mkpa. Ọ bụ leta mmadụ na-edegara onye ọmaghị maọbụ onye ọ maara nke ọma ha abụọ anaghị enwe ezi mmekọrịta ọbụla n'etiti onwe ha. Leta ọbụla e ji achọ ọrụ, e ji akpọ oku, e ji eme mkpesa, na nke e ji ana ọda dabachara dịka leta anamachọihe. Odee na-esite n'edemede leta ya egosịpụta ebumnobi ya maọbụ ihe ọ chọrọ ka e mere ya. Dịka Omeje na Chineke (2015) siri kọwapụta, ebumnobi kachasị mkpa e ji akụzi edemede n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụ inyere ụmụakwụkwọ aka inwe ezi nghọta n'ihe banyere ka e si ede asụsụ Igbo. Ya mere na o nwere ihe anọ gbara ọkpụrụkpụ a na-elegara anya wee na-amaakị edemede ụmụakwụkwọ, nke gụnyere: ndịna, nkọwa, nhazi na ndezi. Ihe ndị a niile na-egosi na edemede Igbo nwere usoro a na-agbaso ede ya nke na-enyere ụmụakwụkwọ aka iche echiche nke ọma, ma hapụ ime ihe etu o si masị ha. Ọ bụkwa usoro ndị a mere edemede ji sie ike na nghọta karịa nka asụsụ ndị ọzọ. Ọ ga-abụkwa nke a mere Okonkwo (2014) jiri kọwaa na ọtụtụ ndị nkụzi anaghị akụziri ụmụakwụkwọ ha edemede maka na o siri ike ma bụrụkwa ihe na-ewere ọtụtụ oge. N'agbanyeghị nke a, edemede n'ụdị ọbụla dị nnukwu mkpa na ndụ nwataakwụkwọ maka na ọ bụ na ya ka e si amata ogo mmụta onye ahụ nwere na nka odide. Nke a mere edemede ji soro n'ajụjụ nwataakwụkwọ ọbụla ga-azarịrị n'ule WAEC maọbụ NECO. Ọ bụkwa nka odide ka e ji anwale ụmụakwụkwọ n'ule dị iche iche.

Ule bụ nnwale a na-enye ụmụakwụkwọ iji chọpụta ka ha si mụtadebe ihe a kụziere ha. Ọ na-enyere ndị nkụzi na ndị ọzọ nwere oke n'ọrụ aka ịmata ma e mejupụtara

mbunuche e ji guzobe ihe ọmụmụ. Chineke (2015) kọwara na ọ bụ site n'ule ka e si amata ogo nka, mmụta na nghọta ụmụakwụkwọ nwetara n'ihe ọmụmụ ha mere. Nke a na-enye aka maka inwe mkpebi gbasara nwataakwụkwọ ọbụla. Site na mkpebi a ka e si achọpụta ebe nwataakwụkwọ na-eme nke ọma na ebe ọ na-eri mperi n'agụmakwụkwọ ya. Ka o sila dị, nwataakwụkwọ nwere ike inwe ezi mmụta n'isiokwu a kụziere ya n'ụlọakwụkwọ, mana enweghị ezi nka odide nwere ike ime ka ọ ghara ime nke ọma n'ule. Nkọwa ndị a na-ezipụta mkpa edemede (nke leta so n'ime ya) dị n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.

Ọ bụ ihe mwụte na ụmụakwụkwọ sekọndịrị na-enwe ihe nhịa ahụ n'ide edemede leta, nke nwere ike ịkpata emeghị nke ọma ha n'ule sịnịo sekọndịrị. Ozi sitere n'aka ndị isi ule WAEC 2023-2025 na-egosi na ụmụakwụkwọ emeghị nke ọma n'asụsụ Igbo maka ọtụtụ ndejọ na iri mperi n'edemede ha. Ndehie ụmụakwụkwọ pụtara ihe nke ukwu n'ihe banyere nsụpe mkpụrụokwu na ahịrịokwu ezughị oke, tinyere iji olundị ede edemede ha. Ozi a yitere ozi nke sitere n'aka onyeisi ule WACE nke afọ 2017. Onyeisi ule a kọwara na emeghị nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo bụ maka na ha amaghị ka e si emebe mkpụrụokwu, ha amaghịkwa ka e si asụpe mkpụrụokwu. Ọ gara n'ihu kọwaa na ụmụakwụkwọ sinịọ sekọndịrị amaghị ọrụ 'na' na 'ga' na-arụ n'asụsụ Igbo, ha amaghị emepụta ahịrịokwu, ha amaghị iwu ndakọrịta ụdaume mgbe ha na-emebe okwu tinyekwara na ha anaghị agbaso iwu niile gbasara ụtọasụsụ n'ide edemede ha.

Ọtụtụ ihe nwere ike ibute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị. Ihe ndị a gụnyere enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo, usọro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ, enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo na mwebata ụmụakwụkwọ na-ewebatakarị olụndị n'edemede leta Igbo.

Mmadụ inwe mmasị n'ihe ọbụla ọ na-eme na-enyere onye ahụ aka imeta ihe ahụ nke ọma. Ibegbu (2013) kọwara na mmasị bụ ihe na-akpali mmụọ ụmụakwụkwọ ma duba ha n'inye ọsịsa banyere ọnọdụ dị iche iche. Enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo bụ ihe jọgburu onwe ya maka na ọ bụ ihe ọmụmụ nke mmadụ nwere mmasị na ya ka ọ na-agba mbọ ihụ na ya mere nke ọma na ya. Ọ bụ ihe mwute na ụmụafọ Igbo na-enwe mmasị n'iji asụsụ Bekee akparịta ụka karịa asụsụ ara nne ha (Agbo na Onu, 2019). N'otu aka ahụ, Chineke (2019) gosipụtara

mwute na ọ bụ maka enweghị mmasị nke ụmuafọ Igbo n'asụsụ Igbo mere ọtụtụ n'ime ha achọghị ịgụ ya n'ụlọakwụkwọ dị elu. N'eziokwu, ọnọdụ dị etu a nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ hapụ iji asụsụ Igbo kpọrọ ihe nke ga-eme ka ha na-eri mperi n'edemede leta Igbo n'ule dị iche iche.

Ihe ọzọ nwekwara ike ibute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị bụ usoro ndị nkụzi ji akụzi edemede Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nke a bụ maka na usoro e ji akụzi ihe nwere ike metụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ ihe ha n'ụzọ dị mma maọbụ n'ụzọ adighị mma. Ya mere oji dị mkpa iji ezigbo usoro dabara adaba kụzie ihe maka na ọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ụzọ dị mma (Alonge, Ezeokoli, & Ogunmola, 2022). A chọpụtala na usoro ndị nkụzi asụsụ Igbo kachasị eji akụzi ọtụtu ihe banyere asụsụ Igbo bụ usoro Lekchọ, (Omeje, 2009; Umo na Chineke, 2014; Chineke, 2019). Nke a na-eme ka ihe dum a na-eme na klaasị na-esitekarị n'aka onye nkụzi ma na-emekwa ka ụmụakwụkwọ bụrụ ndị ga-ege sọ ntị na klaasị ma hapụ iso na-eme ihe ndị ọzọ na-akwalite ọmụmụ ihe oge nkụzi na ọmụmụ na-aga n'ihu.

Ụfọdụ usoro ndị nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ sonye n'ihe a na-eme na klaasị gụnyere usoro ejije, usoro mkparịtaụka na usoro asọmpi. A bịa n'usoro ejije, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ, site na ntụziaka onye nkụzi, ga-eji aka ha na-egosi ihe ndị ọzọ merela n'ụdị iṅomi ndị ahụ maọbụ igosipụta ihe ọmụmụ dị iche iche onye nkụzi na-akụziri ha. A bịa n'usoro mkparịtaụka, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ site na ntụziaka onye nkụzi, ga-akparịta ụka n'ihe bayere isiokwu a na-akụziri ha. N'usoro asọmpi, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ, site na ntụziaka onye nkụzi, ga-eleba anya n'isiokwu a na-akụziri ha n'ụdị asọmpi iji mata onye kacha mara ihe banyere isiokwu ahụ karịa ibe ya. Usoro ndị a niile nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ na-emeghari ahụ na klaasị ma na-ewebatakwa echiche ha n'ihe a na-eme. Ịma atụ, ụmụakwụkwọ nwere ike iji usoro asọmpi kọwaa ndịiche dị n'etiti edemede leta dị iche iche. Nke a ga-eme ka ha na-echeta ndịiche ndị a mgbe niile. Usoro ọzọ nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ na-esonye n'ihe a na-eme na klaasị bụ usoro a kpọrọ nkụzi ndị ọgbọ 'peer tutoring' n'asụsụ Bekee. Kapil na Malini (2018) kọwara usoro a dịka usoro nkụzi nke ụmụakwụkwọ na-arụ ọrụ dịka ndị nkụzi maka n ha na-akụziri ụmụakwụkwọ ibe ha ihe.

N'iga n'ihu, enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo nwekwara ike ibute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Ndị nne na nna dị oke mkpa n'ihe banyere agụmakwụkwọ ụmụ ha maka na ha bụ ndị mbụ ụmụaka na-eṅomi akparamagwa ha tupu ha abanye n'ụlọakwụkwọ. Ya mere na ihe ọbụla ndị nne na nna mere ka ụmụ ha na-emekarị. Dika Asonye (2013) siri kọwaa, otu ihe so na-ebute nsogbu a na-enwe banyere ọganihu asụsụ Igbo bụ na ụfọdụ nne na nna ụmụaka Igbo anaghị enwe mmasị n'ịsụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ. Ọnọdụ dị etua adịghị mma n'ihi na ụmụaka ndị a ga-eche na asụsụ Igbo abaghị uru ọbụla. Nke a ga-eme ka ha na-agụ ma na-agbakwa mbọ n'ihe ọmụnụ ndị ọzọ ma na-eleda asụsụ Igbo na edemede ya anya. Udị ọnọdụ a nwere ike kpata emeghị nke ọma ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'edemede leta Igbo n'ule dị iche iche.

N'ikpeazụ, ihe ọzọ nwere ike ibute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị bụ mwebata ụmụakwụkwọ na-ewebatakarị olundị mgbe ha na-asụ maọbụ na-ede ihe n'asụsụ Igbo. N'asụsụ Igbo, e nwere Igbo izugbe nwekwaa olundị. Ọ bụ Igbo izugbe ka a tụrụ anya na nwataakwụkwọ ọbụla ga-ede n'ule siniọ sekọndịrị nakwa n'ule ndị ọzọ. Ọ bụkwa Igbo izugbe ka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwo ihe n'ụlọakwụkwo. Chineke, Eze na Nwanji (2025) kọwara na Igbo izugbe bụ olu asụsụ Igbo e sitere n'ime olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo wee nweta, nke a gaghị asị na o nwere obodo nwe ya iche. Ya ka e ji akụzi ma na-amụkwa ihe n'ụlọakwụkwọ dị iche iche. Ọ bụ olu Igbo izugbe ka a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-eji lee ule dị iche iche. Chineke na ndị otu ya gara n'ihụ katọọ amaghị Igbo izugbe nke ụmụakwụkwọ nke na-ebutere ha iri mperi n'asụsụ Igbo. Nke a pụtara na ụmụakwụkwọ na-ewebatakarị olundị ha dị iche iche oge ha na-ele ule asụsụ Igbo nke edemede leta so na ya. Nke a nwere ike kpata emeghị nke ọma ụmụakwụkwọ ndị dị etu a maka na ule asụsụ Igbo nwere ọtụtụ iwụ a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-agbaso oge a na-ele ya. Ọ bụkwa n'edemede Igbo ka iwu ndị a na-apụtakarị ihe. Iji maa atụ, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-eji Igbo izugbe dee edemede ha, ha ga-asụpekwa mkpụrụokwu ha nke ọma, tinyekwara na ha ga-atụpọ mkpụrụokwu ndị a etu o kwesiri. Ka o sila dị, ọ naghị adịrị ụmụakwụkwọ mfe ịgbaso iwu ndịa niile oge ọbụla ha webatara olundị n'edemede ha.

Nkọwa ndị a niile na-egosi na e nwere ọtụtụ ihe ndị nwere ike ibutere ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nsogbu n'ịde edemede leta Igbo. Ọ bụ ọnọdụ dị

etua kpaliri mmụọ onye nchọcha n'inyocha nsogbu ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ịde edemede leta n'ule asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze South nke steeti Enugwu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ inyocha nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze South nke Steeti Enugwu. Nchọcha a ga-eleba anya kpọmkwem n'ihe ndịa:

1. Ịchọpụta ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebute nsogbu ha na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
2. Ileba anya ka usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
3. Ịmata etu enweghị mmasị ndị nne na nna n'ebe asụsụ Igbo dị si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
4. Ileba anya etu mwebata olundị si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
5. Ịchọpụta ụzọ a ga-esi belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha

Iji duzie nchọcha a, onye nchọcha hibere ajụjụ nchọcha ndị a:

1. Kedu ka enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebute nsogbu ha na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?
2. Olee etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?
3. Kedu ka enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?
4. Olee etu mwebata olundị si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?
5. Kedu ụzọ a ga-esi belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

Usoro

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Nworgu (2018) kọwara sọvee nkọwa dịka ihe ọmụmụ mejupụtara usoro e si achịkọta data ma kọwaa ya n'ụzọ doro anya, site n'ịhọrọ mmadụ ole na ole ndị a tụrụ anya na ha ga-anọchite anya ndị nọ n'otu ahụ e si họrọ ha maka ime nchọcha. Ebe nchọcha bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ukwu nke abụọ niile ndị e nwere n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze South, steeti Enugwu. O so n'okpuru ọchịchị atọ e nwere na zonu mmụta Obollo-Afor dị na steeti Enugwu.

Ndị e ji mee nchọcha a gụnyere ụmụakwụkwọ niile na-amụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke abụọ n'okpuru ọchịchị Igbo-Eze South, ọnuọgụ ha dị otu puku, otu narị na asatọ (1108). Ọnụọgụ ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị e nwere n'Igbo-Eze South dị iri (Nsirinweta: Statistical Unit, Post Primary School Management Board (PPSMB), zonu mmụta Obollo-Afor, n'afọ agụmakwụkwọ 2024/2025).

Ọnụọgụ e ji mee nchọcha a kpọmkwem dị narị abụọ (200) nke onye nchọcha ji usoro nsere tụmbọm tụmbọm sere site n'ụlọakwụkwọ ise. Ngwa nchọcha bụ njụmaza nke onye nchọcha ji aka ya mepụta, isiokwu ya bụ"Njụmaza Edemede Leta Asụsụ Igbo Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị" (NELAIUS). Njụmaza a nwere nkeji A na nkeji B. Nkeji A bụ maka ihe metụtara ndị nzaajụjụ ebe nkeji B nwere mkpokọta ise na ndịna iri atọ nke metụtara nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. E ji akara ngosi anọ ndị a wee zaa ajụjụ ndị ahụ. Ha gụnyere:

EMI – Ekwesiri m ike
EM – Ekwere m
AM - Ajụrụ m
AMI – Ajụsiri m ike

Ndị ọkammụta abụọ sitere na ngalaba Mmụta Nka na otu onye sitere na ngalaba Mmụta Sayensị (Measurement and Evaluation) na Mahadum Naịjirịa, Nsụka nyochara ngwa nchọcha a. Onye nchọcha nwalere ntụkwasịobi ngwa nchọcha a bụ NELAIUS n'isi ụmụakwụkwọ sekọndịrị nke abụọ dị iri abụọ sitere n'otu ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'Edeọbala n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu. Ihe e nwetara na ntụkwasịobi ngwa nchọcha site n'usoro "Cronbach Alpha" bụ

0.86 nke gosịrị ntozu oke ngwa nchọcha a. Onye nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ ndị e seere maka nchọcha a jiri aka ya kesaa ma nakọtakwa njụmaza ndị ahụ. O ji ngwa ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe hazie data e nwetara na nchọcha a. Akara miin bidoro na 2.50 maọbụ karịa ka a nabatara dịka ọsịsa dabara n'ihe a na-achọ, ebe akara miin pere mpe karịa 2.50 bụ nke anabataghị dịka ọsịsa dabara na nchọcha a.

Nchọpụta

Onye nchọcha jiri tebul zipụta ọsịsa ha nwetara banyere ajụjụ nchọcha ọbụla.

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Kedụ etu enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebute nsogbu ha na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị?

Tebul nke mbụ: ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe n'etu enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebute nsogbu ha na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị.

Ọgụ	Ndịna	Miin	SD	mkpebi
1	Anaghị m azụta akwụkwọ Igbo n'ihi na enweghị m mmasị n'asụsụ Igbo.	3.32	0.89	nkwenye
2	Anaghị m ege onye nkụzi ntị oge ọ na-akụzi edemede leta Igbo.	3.35	0.94	nkwenye
3	Ana m enwe obi ụto ịmụ ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa nke asụsụ Igbo nke na-emetụta agbambọ m n'edemede leta Igbo.	3.23	0.91	nkwenye
4	Amaghị etu e si asụpe ọtụtụ mkpụrụokwu oge m na ede edemede leta Igbo maka enweghị mmasị na asụsụIgbo.	3.29	0.90	nkwenye
5	Amaghi m etu e si atụpọ mkpụrụọkwu maọbụ ahịrịokwu oge m na-ede edemede leta Igbo maka enweghị mmasị n'ịgụ ihe e dere n' asụsụ Igbo.	3.02	0.92	nkwenye
6	Enweghị mmasị m n'asụsụ Igbo na-eme ka m hapụ igụ akwụkwọ e ji asụsụ Igbo dee.	3.14	0.71	nkwenye
	mkpokọta miin	3.22	0.91	nkwenye

Tebul nke mbụ na-egosi ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na ndịna nke mbụ ruo na nke isii n'etu enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebutere ha nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị. O gosiri na ndịna 1, 2, 3, 4, 5 na 6 nwere

ọsisa miin 3.32, 3.35, 3.23, 3.29, 3.02 na 3.14. Ọsịsa miin e nwetara na-egosi na ndịna miin niile site na 1 ruo na 6 karịrị ogo 2.50 nke na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna 1,2,3, 4, 5 na 6 dịka etu enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebutere ha msogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Mkpokọta miin 3.22 na ndịpụ n'izugbe 0.91 na-egosị na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo na-ebute emetaghị nke ọma ha n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: Kedụ etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

Tebul Nke Abụọ: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe n'etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ọgụ	Ndịna	Miin	SD	Mkpebi
7.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo na-ejikarị usoro lekchọ akụzi edemede Igbo nke na-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ isonye n' ihe a na-eme na klaasị.	3.42	0.88	Nkwenye
8	Ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu n'ide edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị maka na ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị enye ha ohere ijụ ajụjụ na klaasị.	3.19	0.97	Nkwenye
9	Etu ndị nkụzi si akụzi asụsụ Igbo na-eme ka ụmụakwụkwọ na-ahụta ya bụ asụsụ dịka ihe ọmụme adighị mkpa nke na-ebutere ha nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.	3.49	0.90	Nkwenye
10.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị eji akarangwa teknụzụ akụziri ụmụakwụkwọ ihe nke na-eme ka mmụọ ụmụakwụkwọ na-ada mba n'ihe banyere ọmụmụ edemede leta Igbo.	3.28	0.88	Nkwenye
11.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị enye akara edemede ụmụakwụkwọ iji mee ka ha mata ebe ha riri mperi n'edemede leta Igbo.	3.05	0.91	Nkwenye
12.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghi enye ụmụakwụkwọ ihe omume nke ha ga-eme n'ụlọ	3.29	0.91	Nkwenye

	ha iji chọpụta etu ụmụakwụkwọ ndị a si eme n'edemede leta Igbo.			
13.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị eji usoro ejije akụzi edemede Igbo nke na-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ isonye n' ihe a na-eme na klaasị.	3.38	0.90	Nkwenye
14.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị eji usoro asọmpi akụzi edemede Igbo nke na-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ isonye n' ihe a na-eme na klaasị.	3.21	0.84	Nkwenye
15.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo anaghị eji usoro mkpaṛitaụka akụzi edemede Igbo nke na-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ isonye n' ihe a na-eme na klaasị.	3.15	0.92	Nkwenye
	Mkpokọta miin	**3.27**	**0.90**	**Nkwenye**

Tebul nke abụọ na-egosi ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na ndịna nke asaa ruo na nke iri na ise n'etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ha nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. O gosiri na ndịna 7 ruo na 15 nwere ọsisa miin dị n'agbata 3.05 na 3.49. Ọsịsa miin onye nchọcha nwetara na-egosi na ndịna miin niile site na 7 ruo na 15 karịrị ogo 2.50 nke na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna 7, 8, 9,10, 11, 12, 13, 14, na 15 dịka etu n'etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebute emetaghị nke ọma ha n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Mkpokọta miin 3.27 na ndịpụ n'izugbe 0.90 na-egosị na usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ: Kedụ etu enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

Tebul Nke Atọ: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe etu enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ọgụ	Ndịna	Min	SD	Mkpebi
16.	Ana m enwe nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị maka na nne na nna m anaghị azụtara m akwụkwọ ọbụla gbasara ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.	3.29	0.80	Nkwenye
17.	Ana m enwe nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị maka na nne na nna m na-abara m mba oge ọbụla m sụrụ asụsụ Igbo'ụlọ.	3.20	0.93	Nkwenye
18.	Nne na nna m ga-achọ ka m gụọ ihe ọmụmụ ndị ọzọ na-agbasaghị asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ ndị di elu.	3.21	0.92	Nkwenye
19.	Anaghị m agbasi mbọ ike ime nke ọma n'edemede leta Igbo maka na nne m na nna m anaghị ekwu okwu ọma banyere asụsụ Igbo.	3.16	0.81	Nkwenye
20.	Anaghị m agba mbọ ime nke oma n'edemede leta Igbo maka na nne na nna m na-ekwe m mkwa izụtara m ihe dị mma ma ọ bụrụ na m mee nke ọma n'ihe ọmụmụ dị iche iche nke asụsụ Igbo esoghị na ha.	2.91	0.83	Nkwenye
21.	Anaghị m enwe mmasị ịgụ ihe ọbụla banyere edemede leta Igbo maka na nne na nna m anaghị achọ ịma ma onye nkụzi anyị o nyere m ihe omume nke m ga-eme n'ụlọ maọbụ na o nyeghị.	3.15	0.86	Nkwenye
	Mkpokọta miin	**3.07**	**0.81**	**Nkwenye**

Tebul nke atọ na-egosi ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na ndịna nke iri na isii ruo na nke iri abụọ na otu n'etu enweghị mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. O gosiri na ndịna 16 ruo na 21 nwere ọsisa miin dị n'agbata 2.91 na 3.29. Ọsịsa miin onye nchọcha nwetara na-egosi na ndịna miin niile site na 16 ruo na 21 karịrị ogo 2.50 nke na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna 16, 17,18,19,20 na 21dịka etu enweghị mmasị ndị nne na nna ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Mkpokọta

miin 3.07 na ndịpụ n'izugbe 0.81 na-egosi na enweghị mmasị ndị nne na nna ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha Nke Anọ: Kedụ etu mwebata olundị n'edemede si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

Tebul Nke Anọ: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe n'etu mwebata olundị n'edemede si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ọgụ	Ndịna	Miin	SD	Mkpebi
22.	Ana m enwe nsogbu n'ide edemede leta Igbo n'ihi na olundị m na-ewebata oge m na-ede ihe na-eme ka m na-edejọ mkpuruokwu n'edemede m.	3.08	0.98	Nkwenye
23.	Olundị m na-ewebata n'edemede Igbo na-eme ka m na-ada iwu nsụpe n'edemede leta m.	2.99	0.97	Nkwenye
24.	Olundị m na-ewebata n'edemede Igbo na-eme ka edemede m na-ahịa ahụ nghọta nke na-akpatara m emeghị nke ọma n'edemede leta Igbo.	2.74	0.93	Nkwenye
25.	Olundị m na-ewebata n'edemede leta Igbo na-eme ka akara m dị ala n'ihi na ihe iwu kwadoro e ji ede edemede asụsụ Igbo bụ Igbo izugbe.	3.48	0.89	Nkwenye
	Mkpokọta miin	**3.07**	**0.94**	Nkwenye

Tebul nke anọ na-egosi ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na ndịna nke iri abụọ na abụọ ruo na nke iri abụọ na ise n'etu mwebata olundị n'edemede si ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. O gosiri na ndịna 22 ruo na 25 nwere ọsisa miin dị n'agbata 3.08 na 3.48. Ọsịsa miin e nwetara na-egosi na ndịna miin niile site na 22 ruo na 25 karịrị ogo 2.50 nke na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna 22, 23,24, na 25 dịka etu mwebata olundị n'edemede si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Mkpokọta miin 3.07 na ndịpụ n'izugbe 0.94 na-egosị na mwebata

olundị n'edemede na-ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha Nke Ise: Kedụ ụzọ a ga-esi belata nsogbu a na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

Tebul Nke Ise: Ọsịsa miin na ndịpụ n'ụzọ a ga-esi belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ọgụ	Ndịna	Miin	SD	Mkpebi
26.	Ndị nne na nna ga-agba mbọ na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ka ha wee na-enwe mmasị n'ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo.	3.05	0.99	Nkwenye
27.	Ndị nne na nna ga-agba mbọ na-azụtara ụmụ ha akwụkwọ Igbo, ọkachasị nke na-ekwu maka edemede leta iji nye ha nkwado maka ọmụmụ edemede leta Igbo.	3.08	0.91	Nkwenye
28.	Ndị nkụzi asụsụ Igbo kwesịrị iwebata usoro ndị ahụ ga-eme ka ụmụakwụkwọ na-esonye n'ihe a na-eme na klaasị nke ga-akwalite mmasị ha n'edemede asụsụ Igbo.	2.90	0.94	Nkwenye
29.	Ndị isi ụlọakwụkwọ kwesịrị itinyekwu oge maka nkụzi asụsụ Igbo na taịm tebul iji nyere ndị nkụzi aka ileba anya n'edemede leta ụmụakwụkwọ na-ede na klaasị.	3.44	0.86	Nkwenye
30.	Ndị nkụzi kwesiri iwepụta ohere kụziere ụmụakwụkwọ ndịiche dị n'etiti olundị na Igbo izugbe iji belata mgbagwoju anya ha na-enwe oge ha na-ede edemede leta.	3.34	0.90	Nkwenye
	Mkpokọta miin	**3.12**	**0.92**	Nkwenye

Tebul nke ise na-egosi ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na ndịna nke iri abụọ na isii ruo na nke iri atọ n'ụzọ a ga-esi belata nsogbu a na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. O gosiri na ndịna 26, 27, 28, 29 na 30 nwere ọsisa miin dị n'agbata 3.14 na 3.44. Ọsịsa miin ndịa e nwetara na-egosi na ndịna miin niile ndị a karịrị ogo 2.50 nke na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndịna sitere na 26 ruo na 30

dịka n'ụzọ a ga-esi belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Mkpokọta miin 3.12 na ndịpụ n'izugbe 0.92 na-egosị na ndịna ndị a niile bụ ụzọ a ga-esi belata nsogbu a na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị

Nchịkọta Ihe Ndị A Chọpụtara

Ihe ndị a bụ ihe a chọpụtara na nchọcha a:

1. Enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo na-ebutere ha nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
2. Usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị
3. Enweghi mmasị ndị nne na nna n'asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
4. Mwebata olundi n'edemede na-ebute nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
5. Ndị nne na nna ụmụakwụkwọ, ndị nkụzi na ndị isi ụlọakwụhọkwọ nwere ihe dị iche iche ha ga-eme iji belata nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Mkparịtaụka

Ihe ndị a chọpụtara na tebul nke mbụ gosiri na enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo na-ebutere ha nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Site n'ọsịsa ndị nzaajụjụ, ha kwenyere na ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị n'ịzụ akwụkwọ asụsụ Igbo, ha anaghị enwe mmasị n'ide maọbụ n'ịgụ ihe ọbụla banyere asụsụ maọbụ edemede Igbo**.** Ọzọkwa, ha kwenyere na ha anaghị asụpe mkpụrụokwu nke ọma maka enweghị mmasị n'asụsụ Igbo. Nchọpụta a dabara n'echiche Anyaegbunam na Ndukwe (2023), na ụmụakwụkwọ, ọkachasị ndị nọ n'ogo sekọndịrị na-egosipụta enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nke mere na ọtụtụ n'ime ha achọghị iji ntị anụ ihe banyere ya maọbụ ịgụ ya n'ụlọakwụkwọ ndị elu. N'eziokwu, ọnọdụ dị etu a nwere ike mee ka ụmụakwụkwọ hapụ iji asụsụ Igbo kpọrọ ihe nke ga-ebutere ha emetaghị nke ọma n'ide edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.

Ihe ndị a chọpụtara n'etu usoro ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule siniọ sekọndịrị na-egosi na

ndị nkụzi asụsụ Igbo na-ejikarị usoro lekchọ akụzi edemede Igbo nke na-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ isonye nke ọma n' ihe a na-eme na klaasị. Ọzọkwa, ndị nkụzi anaghị enye ụmụakwụkwọ ohere ịjụ ajụjụ, ha anaghị ewebata akarangwa teknọlọjị, tinyere na ha anaghị ewebata usoro ndị ahụ na-eme ka ụmụakwụkwọ sonyesie ike n'ihe a na-eme na klaasị. Nchọpụta a dabara na nkọwa Ugobueze (2024), na usoro e ji akụzi asụsụ Igbo ugbua na-abụkarị usoro ochie nke dabeere n'ihe onye nkụzi na-eme karịa ihe ụmụakwụkwọ na-eme. Ọ gara n'ihụ kọwaa na usoro a anaghị akwalite mmụọ ụmụakwụkwọ maọbụ mee ka ha nwee nghọta miri emi n'ihe ọmụmụ ha na-amụ. Usoro a anaghị eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị n'ihe onye nkụzi na-akụzi nke nwere ike metụta mmeta nke ọma ha n'ededmede leta Igbo.

Na tebul nke atọ, ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na-egosi na ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị maka na nne na nna ha anaghị azụtara ha akwụkwọ ọbụla gbasara ihe ọmụmụ asụsụ Igbo; nne na nna na-abara ụmụaka ha mba oge ọbụla ha sụrụ asụsụ Igbo n'ụlọ; nne na nna ụmụakwụkwọ na-achọ ka ụmụ ha gụọ ihe ọmụmụ ndị ọzọ na-agbasaghị asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ dị elu; ụmụakwụkwọ anaghị agbasi mbọ ike ime nke ọma n'edemede leta Igbo maka na nne m na nna ha anaghị ekwu okwu ọma banyere asụsụ Igbo; ụmụakwụkwọ anaghị agba mbọ ime nke ọma n'edemede leta Igbo maka na nne na nna ha na-ekwe ha nkwa izụtara ha ihe dị mma ma ọ bụrụ na ha mee nke ọma n'ihe ọmụmụ dị iche iche nke asụsụ Igbo esoghị na ha. Nchọpụta a dabara na nke Asonye (2013), bụ onye chọpụtara na otu ihe so ebute nsogbu a na-enwe banyere ọganihu asụsụ Igbo bụ na ụfọdụ nne na nna ụmụaka Igbo anaghị enwe mmasị n'ịsụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ. Ọnọdụ dị etu a adịghị mma n'ihi na ụmụaka ndị a ga-eche na asụsụ Igbo abaghị uru ọbụla. Nke a ga-eme ka ha na-agụ ma na-agbakwa mbọ n'ihe ọmụnụ ndị ọzọ ma na-eleda asụsụ Igbo na edemede ya anya. Udị ọnọdụ a nwere ike kpata emeghị nke ọma ọtụtụ ụmụakwụkwọ n'edemede leta Igbo n'ule dị iche iche.

Na tebul nke anọ, ọsịsa miin ndị nzaajụjụ na-egosi na ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu n'ide edemede leta Igbo n'ihi na olundị ha na-ewebata oge ha na-ede ihe na-eme ka ha na-edejọ mkpuruokwu n'edemede ha; olundị ha na-ewebata n'edemede Igbo na-eme ka ha na-ada iwu nsụpe n'edemede leta ha; ọ na-eme ka edemede ha na-ahịa ahụ nghọta nke na-akpatara ha emeghị nke ọma n'edemede

leta Igbo; olundị ha na-ewebata n'edemede leta Igbo na-eme ka akara ha dị ala n'ihi na ihe iwu kwadoro e ji ede edemede asụsụ Igbo bụ Igbo izugbe. Nchọpụta a dabara na nkọwa Omekwu (2014), na ọtụtụ olundị e nwere na mpaghara ala Igbo dị iche iche na-eme ka ụmụakwụkwọ na-enwe oke ihe nhịa ahụ n'ule asụsụ Igbo izugbe na sịnịọ sekọndịrị, ọkachasị n'ihe banyere edemede Igbo. Ọnọdụ dị etu a adịghị mma n'ihi na ọ na-egosi na ụmakwụkwọ amaghị ihe dị iche n'olundị na Igbo izugbe.

Ihe ndị a chọpụtara n'ụzọ a ga-esi belata nsogbu a na-enwe n'ịde edemede leta Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị na-egosi na ndị nzaajụjụ kwenyere na ndị nne na nna ga-agba mbọ na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ ka ha wee na-enwe mmasị n'ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo; ndị nne na nna ga-agba mbọ na-azụtara ụmụ ha akwụkwọ Igbo, ọkachasị nke na-ekwu maka edemede leta iji nye ha nkwado maka ọmụmụ edemede leta Igbo; ndị nkụzi asụsụ Igbo ga na- ewebata usoro ndị ahụ ga-eme ka ụmụakwụkwọ na-esonyesi ike n'ihe a na-eme na klaasị nke ga-akwalite mmasị ha n'edemede leta na ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ndị ọzọ. Nke a dabara na nkọwa Iwuala (2012) onye mere ka a mata na iwebata ụsoro dị mma n'ọmụmụ ihe na-eme ka ụmụakwụkwọ sonye nke ọma n'ihe a na-eme. Ọ gara n'ihu kọwaa na nke a ga-eme ka ihe a na-akụziri ha doo ha anya nke ọma ma meekwa ka ha na-enwe mmasị n'ihe ọmụmụ.

Ntụnye Aro.

Site na nchọpụta onye nchọcha nwetara ka o ji tụọ aro ndịa:

a. Ụmụakwụkwọ kwesịrị inwe mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo maka na asụsụ Igbo bụ otu n'ime mjirimara ndị Igbo dị oke mkpa. Ha kwesịkwara ịmata ma buru n'obi na onye ọbụla gụrụ ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị dị elu anaghị enwecha nsogbu n'ịchọta ọrụ, ọkachasị ọrụ nta akụkọ maọbụ ọrụ nkụzi n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche.
b. Ndị nkụzi asụsụ Igbo kwesịrị ije ọzụzụ ka ha wee mụta ka e si e ji usoro nkụzị dị mma, ọkachasị usoro ndị ahụ na-akwado mwebata ngwa teknọlọjị n'nkụzi asụsụ Igbo. Nke a ga-akwalite mmasị ụmụakwụkwọ n'ịmụ ihe ọbụla gbasara asụsụ Igbo nke gụnyere edemede leta. Ndị nkụzi asụsụ ga-agbakwa mbọ ime ka ụmụakwụkwọ mata na e nwere ndịiche dị n'etiti olundị ha na olu Igbo izugbe.

c. Ndị nne na nna ga ejisi ike na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ, ma na-azụtara ha akwụkwọ ọgụgụ ndị a chọrọ maka ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nke a ga-akwalite mmasị ụmụ ha ndị a n'ọmụmụ asụsụ Igbo, ma meekwa ka asụsụ Igbo na-eto dịka asụsụ Bekee.
d. Gọọmenti kwesiri itinye iwu na o nweghị nwataakwụkwọ ọbụla a ga-anabata n'ụlọakwụkwọ dị elu ma ọ bụrụ na o meghị nke ọma n'asụsụ Igbo n'ule sekọndịrị ukwu. N'ikpeazụ, ndị gọvụmenti kwesịrị ihibe ọgbakọ dị iche iche maka ọzụzụ ndị nkụzi n'ihe banyere iji usoro nkụzi ọgbara ọhụrụ na Igbo izugbe na-akụzị asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.

Nrụaka

Agbo, G. O. & Onu, A. E. (2019). Ọghatauhie n'iji asụsụ Igbo agbasa ozi n'ụlọ mgbasa ozi dị na steeti Enugu. Unpublished M.Ed Desertation, Department of Arts Education, Faculty of Education, UNN.

Aguiyi, A. I. (2014). The challenges of Igbo language and programme in revamping education in Nigeria. *Journal of Research in Education*, *1*(1), 68-77.

Alonge, A. S, Ezeokoli, F.O. & Ogunmola, O. M. (2022). Methods, techniọues and ọuestioning behaviour teachers adopt in poetry lessons in selected secondary schools in Ibadan.*International Journal of Arts and Social Sciences Education (IJASSE), 7* (1), 1-48.

Anyaegbunam, O. & Ndukwe, A. (2023). The impact of social media on language evolution: An Igbo perspective. *Language, Media and Communication*, 36 (4), 67-85.

Asonye, E. (2013). UNESCO Prediction of the Igbo Language Death: Facts and Fable. *Journal of the Linguistic Association of Nigeria, 16* (1 & 2), 91-94.

Ariyo, K, Mahmud, O. & Abuya, E. (2017). The Teaching of Essays, Articles and Letter Writing: Cooperative Teaching Approach Asian Research *Journal of Arts & Social Sciences*, *4* (2): 1-7

Azikiwe, U. (2017). *Language teaching and learning*. Onitsha: Africana First Publishers.

Borode, B. (2014). Achievements of junior secondary school students in essay writing in French using activity based and lecture methods. *Journal of Sociological Research, 5* (2), 1-6.

Chigbu, U. (2013). *Imminent death of Igbo language*. http://dailyindep endenting.com/2013/03/ imminent. death-of-Igbo-language-where-are-the-leaders

Chineke, S. O. (2015). Mother tongue education: A panacea for curbing examination malpractice in Nigeria. In Okeke, E., Eze, A. N. & Agbohoroma, T. (Eds.). *Examination Malpractice: Deterrents and Solutions*, 36-48.

Chineke, S. O. (2019). Adịmire usoro nkụzi mmekọrịta na mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'abụ ederede Igbo. P.hD Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Chineke, S. O., Eze, J. U. & Nwanji, D. (2025). Ụzọ olundị si ebute ndọghachiazọ n'ọmụmụ olu Igbo izugbe n'ogo sekọndịrị nta n'okpuru ọchịchị Nsụka, steeti Enugwu. *International Journal of Studies in Education*, 21(1), 347-352 ISSN: 2636-6320 (ONLINE) - 2636-6339 (PRINT) - https://ijose.unn.edu.ng/

Emelogu, N. U. & Chigbu, G. U. (2022). Emerging uses of technologies in english language teaching and learning. *Journal of Curriculum and Instruction, 13* (1).110-122.

Ibegbu, V. O. (2013). *Effect of digital versatile disc content package on secondary school students' achievement and interest in shorthand in Anambra State,Nigeria.*(Doctoral Dissertation,UNN).http://dspace.unn.edu.ng/bitstream/handle/123456789/Ibegbu%2C%Victoria%20Oz%20%28Mrs,%29.Pdf

Iwuala, Z. (2012). Cultural education in the Nigerian languages: The issue of Igbo teaching methodology.*Journal of Igbo Language and Linguistics*, 5, 85-89

Kapil, Y. & Malini, J. S. (2018). Peer tutoring an instructional approach: A systematicapproach. *Scholarly Research Journal for Humanity, Science and English language*, 6(21), 7792-7798.

Muodumogu, C. A. & Unwaha, C. U. (2013). Improving students' achievement in essay writing: What will be the impact of mini-lesson strategy? *Global Advanced Research Journal of Arts and Humanities (GARJAH), 2* (6), 111-120

Nworgu, B. G. (2018). *Educational research: Basic issues and methodology.* Ibadan: Wisdom Publishers Ltd.

Ogunsola, O. I. & Babatunde A. O. (2017). Language as a tool for promoting national security. In T. D. Oke, C. Y. Odule & J. B. Filani (eds.*). Issues in teacher education in Nigeria.* Lagos: T & B global international.

Ogunyemi, K. O. (2014). *Two modes of reactive focus-on-form strategies as determinants of senior secondary school students' learning outcomes in the English Language essay writing*. (Unpublished Ph. D Thesis), University of Ibadan.

Okafo, C. U. & Ewelukwa, U. (2018). *Nhazi asụsụ Igbo maka sinịọ sekọndịrị na koleji*. Anambra: A. C. Global Publishing Co.

Okonkwo, A. F. (2014). Collaborative instructional strategy and students' achievement in English essay writing. Unpublished Ph.D thesis submitted to the Department of Arts and Social Science Education, Ebonyi State University, Abakaliki.

Okonkwo, A. F. (2015).Gender in students' achievement in English essay writing using collaborative instructional strategy. *International Journal of English Language Education*. *5* (1), 85-90

Omeje, M.O (2009). Effects of communicative method on students' achievement and interest in Igbo letter writing. Unpublished Ph.D Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Omekwu, I. (2014). Interference in the teaching and learning of standard Igbo language in senior secondary schools in Enugu State: Ezeagu dialect example. *International Journal of Arts and Social Sciences, 7*(1), 117-127.

Ugobueze, A. N. (2024). Factors Influencing the Teaching and Learning of Igbo Language in Secondary Schools in Onitsha North Local Government Area of Anambra State Nigeria. *Indonesian Journal of Innovative Teaching and Learning, 1*(2), 87-97

Ugwuona, C. N. (2015). *Ntọala na isiokwu ụfọdụ na fonọlọji Igbo. Nsukka:* University of Nigeria Press.

Umo, U. C. & Chineke, S. O. (2014). Effect of task-based language teaching method on students' achievement in Igbo essay writing. *International Journal of Research in Arts and Social Sciences*, 7(2), 129-134.

West African Examinations Council (2017). *Chief Examiner's Report.* Yaba: Lagos.

West African Examinations Council (2023). *Chief Examiner's Report.* Yaba: Lagos

West African Examinations Council (2024). *Chief Examiner's Report.* Yaba: Lagos.

West African Examinations Council (2025). *Chief Examiner's Report*. Retrieved from www.waeconline.org.ng.